# SOME BURIAL HYMN COMPILATION

## EZUMIKE EBEBE. KEY C/B$^b$ 3/4 (REQUIEM)

CHORUS

Ezumike, Ezumike, Ezumike ebebe; Onyenweanyi nye ha/ya ezumike ebebe; k'ihe nke ndu ebebe chakwasi ha/ya a a
di

VERSE:

1. Okwesiri O Chineke ka a bunyere Gi abu na Zion; nkwa e kwere Gi, a ga-akwu ya na Jerusalem; nuru aririo m; mmadu nile ga-abiakwute Gi.. CHORUS.

---

## MMADU NTU K'IBU KEY D/E$^b$ 3/4

CHORUS #1:

Mmadu ntu k'ibu; na ntu k'iga nachigha

VERSES:

1. Mmadu lee ahihia di n'ohia; n'ututu ha nile miri ifuru; ha jukwara na añuri n'ururu chi, ha kponwusia.
2. Nwa ogaranya lee ahihia di na ohia n'ututu I bu ogaranya n'ururu chi ibu onye nwuru anwu.
3. Onye eze lota na uwa anyi no n'agafe ka nlo; lee eze mmadu nile bu ihe oriri nke ahuhu.

CHORUS #2:

Mmadu chetakwa n'isi na ntu; na ntu k'iga-alaghachikwa mgbe itughi anya.

---

## ONYE KERE UWA BIKO 2/2 KEY G/A$^b$

CHORUS:

Onye kere uwa biko nabata obi nwodibo Gi; Biko Nna ejina iwe zute ya n'ezi; Wer'ebere kwe k'obata n'obodo oma ahu bu Jerusalem.

VERSES:

1. Aku na ihe ekike; ihe nile di n'uwa agafego; Ugbua buzi oge Gi Dinwenu--
2. Onyenweanyi, gbaghara onweghi onye puru izu oke n'ihu Gi, beere so ma onarara n'aka Gi mgbaghara nke njo--
3. Uwa agafego; ihe nile di n'uwa'gafego; Enwerozim onye inye aka ozo bere so Gi--
4. Ahum buzi nri ahuhu; munwa onye dibu ndu n'oge gara'ga buzi nri anumanu. Onyenwe m cheta mo; cheta mo, Nna enwzighi m ike ozo--

---

## CHETA M ONYENWE M. KEY G 3/4

CHORUS:

Cheta m Onyenwe m; achupuna nwodibo Gi; chetam Onyenwe m; Chukwu Nna moo.

VERSES:

1. Cheta m Onyenwem; chetanu onye ijiri maka ya taa 'huhu; cheta m, ekwela ka m laa n'iyi--
2. Cheta m Onyenwem; a mara Gi ura kee Gi agbu n'ihi m; Cheta m Onyenwe m, Onye m huru n'anya--
3. Lee obe Kalvary ebe akpogburu Dinwenu; Lee obe Kalvary--
4. Cheta ebere Gi O Dinwenu; cheta ebere Gi, Chukwu Nna moo--

---

## DINWENU NA-ENYE M IHE NA-ENYERE M AKA KEY G/A[b]

CHORUS:
Dinwenu na-enye m ihe na-enyere m aka-----

VERSES:

1. Dinewnu na-enye m ihe, na-enyere m aka, Onye ka m ga-atu egwu? Dinwenu bu Onye n'akwalite ndu m; Kedu onye m ga'tu egwu?-----
2. Dinwenu m kpoku o Gi; nuru olu m; meere m ebere, za m'oku,, maka Gi ka mmuo m nile n'ekwu; Gi ka mkpuru obi m n'acho--
3. Dinwenu ihu Gi ka m n'acho, ezonarina m ihu Gi--; Ejina iwe chupu nwodibo Gi; o bu Gi bu enyemaka m-----
4. Eji m n'aka na aga m ahu afo oma nke Dinwenu n'obodo ndi di ndu-----; nwee nchekwube na Ya jidesie m ike-----; nwee ntachi obi na nchekwube na Dinwenu-----

---

## MEERE ANYI EBERE DINWENU KEY G/A[b]

CHORUS:
Meere anyi ebere Dinwenu, n'ihi na anyi emeela njo

VERSES:

1. O Chukwu, were afoma Gi meer'anyi ebere; Wer'obi ebere Gi hichapu mmehie m-----Biko sachaba m, sachapu mmehie m; hichapu njo m
2. Amara m mmehie m nile; Njo m wechara m anya; Soso nani Ginwa ka m mere njo megide; ihe bu njo n'ihu Gi ka m mere..
3. O Chukwu nye m obi di ocha; tinye n'ime m mmuo nke ikwus'ike -----I chupuna m n'ihu Gi; I napuna m Mmuo nke idi nso..
4. Nyekwa m ozo añuri nke enyemaka Gi-----; Were muo nke ihunanya nyere m aka O Dinwenu-----meghee egbugbe onu m; onu m ga-ekwuputa otito Gi..

DR. FSPC OKEKE FOR ICC NY CHOIR